# AGỤMAGỤ EDEREDE IGBO DỊKA ENYO E JI AHỤTA NDỤ: ILEBA ANYA N'AGỤMAGỤ *ỤKWA RUO OGE YA* NA *ISI AKWỤ DARA N'ALA*

**Juliet Ifunanya Okeyika**

**+2348060639119**

ji.okeyika@unizik.edu.ng

Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Eshia

Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka

Steeti Anambara, Naịjirịa

## Ụmịedemede

Agụmagụ Igbo na-egosi ihe dị icheiche na-eme n'ụwa. Ọtụtụ ihe ndị ahụ na-akụziri ọhanaeze ihe ga-abara ha uru. E nweela edereede e dere n'oge gara aga rụtụrụ aka n'ihe yitere isiokwu nchọcha a, mana ha ezipụtachaghị kpọmkwem ihe dabara n'isiokwu nke a. Ha gosipụtara ọghọm dị icheiche agha na-ewetara ụmụ mmadụ site n'iji naanị *Isi Akwụ Dara n'Ala* wee mee nke ha, mana o nwebeghị edereede gosiri na e nwere ike isi n'akwụkwọ agụmagụ Igbo ndị a họọrọ mata na a ga-egosipụtanwụ ụzọ ndụ dị icheiche ọhanaeze ga-esi mụta ihe ga-abara ha ụrụ. Nchọcha a gbara mbọ gbaa n'anwụ etu agụmagụ edereede siri bụrụ enyo na-enyocha ndụ n'oge ugbua. E ji agụmagụ *Ụkwa Ruo Oge Ya* wee gbaa ndụ ndị mmadụ na-ebi n'oge ugbua n'anwụ nke mere na a ga-esite n'ụzọ dị etua chọpụta ndụ dị mma a ga-ebi na-aga n'ihu, ma chọpụta ndị kwesiri ka e sepu aka na ha. E jikwazi agụmagụ *Isi Akwụ Dara n'Ala* wee gbakwaa ndụ ndị mmadụ biri n'ala Igbo n'oge agha Biafra n'anwụ, ka ndị amaghị maka ya, mata ụfọdụ ihe mere n'oge ahụ ma sikwa n'ụzọ dị etu a chọpụta na ụfọdụ ihe mere n'oge ahụ na-emekwazi n'oge ugbua n'agbanyeghị na a naghị alụ agha. Edereede a ga-enye aka ịgbazịrị ndị ga-agụ ya ndụ ha site n'iṅomi agwa ndị dị n'akwụkwọ ndị a họọrọ ma nwekwa ndị a ga-ahapụ niihina ha abụghị ezi ndụ. Ọ ga-aka mma ka agụmagụ edereede Igbo ọbụla na-enwe ihe ọ na-akụziri ọhanaeze site n'ịrụtụ aka na ndụ dị icheiche a na-ebi n'ụwa ma ziputa ndị dị njọ na ntaramahụhụ ha, na ndị dị mma na uru ịha, ka ọ ga-abụ onye mara asụ, ọ sụọ n'ikwe, onye amaghị asụ, ọ sụọ n'ụkwụ ya.

## Okwu mmalite

Agụmagụ edereede bụ ọrụ nka a kọwapụtara n'ụzọ edereede, bụ nke na-akọ maka ndụ na obibi ya. Ọ bụ nke a ka e ji asị na agụmagụ edereede na-eǹomi ihe nke ụwa. Odee ga-enweriri ihe kpaliri mmụọ ya tupu ọ malite dewe agụmagụ ọbụla. Ọtụtụ mgbe ka ọ na-arụtụ aka n'ebe agwa ọjọọ dị icheiche dị nke a na-ahụ na ndụ ụmụ mmadụ ma nye ọmụmaatụ iji gosi na ihe ọjọọ adịghị mma. A na-eme nke a site n'iwepụta ma gosipụta etu ha siri dị njọ, ihe kpatara ha jiri dị njọ nakwa ọghọm dị na ha site n'ime ka agwa nọ n'agụmagụ mere ihe ọjọọ taa ahụhụ, nke mere ihe ọma enweta ngọzi na mmeri. N'ụzọ dị etu a, ọ kụziela na ọrụ ọbụla, nwere ụgwọ ọrụ ya.Ọ bụ nke a mere edereede a jiri gbalịa izipụta akwụkwọ ndị a họọrọ dịka enyo na ụzọ a ga-esi hụta ndụ ụmụ ụwa n'oge a lụrụ agha na nke na-emekwa n'oge a. N'agbanyeghị nke a, *Ụkwa Ruo Oge Ya* gbara n'anwụ ihe ndị ahụ kwesiri ka ndị hụrụ onwe ha n'anya n'ezie jidesie ike na ndụ ha ka ha wee nweta ebumnobi ha n'ikpeazụ, ebe *Isi Akwụ Dara n'Ala* gbakwaara ọhanaeze n'anwụ ụdị ndụ e biri n'ala Igbo n'oge a lụrụ agha Bịafra ma gosi ọnọdụ ndị mmadụ hụtara onwe ha n'oge agha ahụ na-aga n'ihu nakwa mgbe agha ahụ biri.

**Nnyocha agụmagụ**

Ọtụtụ ndị odee edeela ihe metụtara isiokwu a. Ifeka, (2009:58) kwụrụ na, "agụmagụ ederede bụ edemede na-akụzi ihe, na-enye obi aṅụrị, afọ ojuju, amamihe na mkpalite uche". Nke a na-egosi na ụzọ ihe ise a dị mkpa n'agụmagụ edereede nke otu n'ime ha bụ ikuzi ihe bụkwa nke metụtara isiokwu nchọcha a.

Ifeagwazi na Okafọ (2006:6) sị na, "agụmagụ edereede bụ echiche maobụ ọchịchọ mmadụ nke e deturu edetu n'akwụkwọ banyere isiokwu doro anya". Ọ bụ echiche mmadụ chepụtara ma jirikwa asụsụ nka depụta n'akwụkwọ ka onye ọzọ gụọ ma ghọta nke na-akụzi ihe dị icheiche.A na-esi na ya amata ọtụtụ ihe. Ọ bụghị akụkọ kọrọ gawa, kama ọ bụ ihe nwere ezi echiche na nghọta zuru oke nke e deturu n'ezi usoro nwere ihe nkuzi na-adị na ya.

Nsolibe (2011:73) dere na, "agụmagụ edereede bụ echiche ndị ugbua gbasara otu ha siri hụ ma were ụwa na usoro ha si ebi ndụ n'ime ụwa a ha huru onwe ha". Nke a gosiri na agụmagụ edereede bụkwa agụmagụ oge ugbua nke na-ezipụta ihe na-eme n'ụwa. A na-esi na ya amụta ọtụtụ ihe na-eme n'ụwa mmadụ nọ n'ime ya.

Ikedimma (2008:61) nyere nkọwa nke ya "dịka ihe mmadụ chepụtara, họchaa were detuo n'akwụkwọ ma bụrụkwa ụzọ ihe nke ụwa siri metụta onye ahụ n'ahụ, mmasị o nwere na ya, maọbụ nkọwa o nyere ya". O kwukwara na e nwere ike izipụta ihe ahụ n'ụzọ akụkọ, abụ maọbụ ejije. Ihe mmetụta ahụ nwereike ịdị mma maọbụ dị njọ. Nke a gosiri na ihe e deturu n'agụmagụ edereede ọbụla bụ nsirihuụwa odee.

Mbah, Ikeokwu, Mba, Okeke, Nweze, Ugwuona, Akaeze, Onu, Eze, Prezi na Odii (2013: 321) si na, "agụmagụ edereede bụ ọrụ nka a kọwapụtara n'ụzọ e dere ede nke na-akọ maka ndụ na obibi ya. Nke a na-egosi na agụmagụ edereede ga-ezu ezu dịka agụmagụ ma ọ bụrụ na o zipụtara maka ndụ a na-ebi n'ụwa na etu e si ebi ndụ ahụ.

**Akwụkwọ *Ụkwa Ruo Oge Ya*, dịka enyo e ji ahụta ndụ**

Akwụkwọ agụmagụ a bụnnọ ngwa e ji hụta ihe na-emegasi na ndụ ụmụ mmadụ, nakwa akparamaagwa dị iche iche a na-ahụ na ndụ ụfọdụ ndị mmadụ; ma ndị dị mma ma ndị adịghị mma. Agwa ndị ahụ bụ:

i. **Ezi ịhụnanya**

Nke mbụ bụ na akwụkwọ a kụziiri ndị ntorobịa nke oge ugbua anyị nọ n'ime ya ịhụnanya ziri ezi, ọkachasi ndị na-achọ ịba n'ọnọdụ alụmdi. Ọ na-ezipụta ụdị ịhụnanya kwesiri ịdị n'etiti nwoke na nwaanyị chọrọ ịlụkọrịta onwe ha.O gosikwara ihe ezi ịhụnanya chọrọ. N'ime agụmagụ a, a hụrụ etu ndị bụ isi a hụrụ kwaba okpu bụ Chude na Ngọzi si hụ onwe ha n'anya. Ha hụkọrịtara onwe ha n'anya nke ukwu, nke na ha abụọ nwere ike ịnwụchitere ibe ha ọnwụ niihi ụdị ịhụnanya dị n'etiti ha. Ọ bụ nke a kpatara akwụkwọ nsọ jiri si:

> …ịhụnanya kachasị nke mmadụ pụrụ inye enyi ya, bụ inye ndụ ya, maọbụ ịnwụ maka ihi ya (Jọn 15:13).

Ịhụnanya dị etu a malitere mgbe ha na-etolite dịka ụmụaka. N'oge izizi, nne na nna Ngọzi nakwa nwa ha nwaanyị bụ Ngọzi, bịara ileta nne na nna Chude mana niihi ihere na-eme ndị na-amalite ịhụ onwe ha n'anya, bụ nke a na-ahụ n'oge ugbua, Chude achọghị ile Ngọzi anya n'ihu. Mgbe nna Chude kpọrọ ya ka ọ bịa kelee ndị ọbịa bịara be ha, ọ pụtara ma wepu ịhụ ya n'ebe Ngọzi nọ. Mgbe ndị ọbịa lara, Chude

abụghịzịkwa onwe ya; ụra pụrụ ya n'anya. Ọ malitere chewe maka Ngọzi nke mere o jiri kpebie na ya chọrọ ịhụ ya anya ọzọ. A hụrụ nke a n'ihu akwụkwọ nke abụọ:

> …naanị ihe ọ chọrọ ebe Ngọzi nọ bụ ka ya na-ahụ ya anya (ihu 2)

Ụdị agwa a Chude kpara, agbaghị gharịị niihina ọ bụ ihe a tụrụ anya na-eme n'ebe nwoke na nwaanyị n'oge ugbua nọ, ọ kachasi mgbe ha hụrụ onye ha hụrụ n'anya. Nke a kpatara Iheakaram (1994:5) jiri si na,

> akụkọ arọrọarọ a, na-agbali igosipụta ihe na-eme na ndụmmadụ…

Ọ bụ ezi ịhụnanya a ha nwere n'onwe ha mere ha jiri die ọtụtụ ihe mgbochi ha gabigara n'ụzọ, ma mechaa bụrụ di na nwunye n'agbanyeghi ọdachi niile cheere ha aka mgba na mmalite ije ndụ ha.

ii. **Akwamiko n'etiti ndị ntorobịa n'oge ugbua**

Ubesie maara maka ụdị ihe a nke a na-ahụ n'etiti ndị ntorobia nke oge ugbua. Nke a ka a na-ahụ n'etiti ndị che na ha hụrụ onwe ha n'anya. Odee matakwara maka omume ezighị ezi dịka ịkwa iko nke na-arị ibe ya elu n'oge ugbua. Ọ bụ nke a mere o jiri gosipụta n'akwụkwọ ya, na nwoke na nwaanyị hụrụ onwe ha n'anya nwere ike iyi ọyị ziri ezi n'enweghị mmekọ edina ọbụla. Nke a ka o jiri Chude na Ngọzi wee zipụta. Ha yigidere, ma ọ dịghị oge ọbụla a nụrụ maọbụ gụta ụdị akụkọ a n'akwụkwọ.

iii. **Nnọgharịobodo**

Nnọgharị obodo maọbụ ịnọ ebe tere aka ka a mataara dịka otu ihe so eme ka ndị nọ na nkwa ịlụ di na nwunye gharịpụ onwe ha. Nke a mere odee jiri gbalịa igosipụta mkpa ọ dị na ndị dị etu a ga-ejidesi onwe ha aka ike. Ọ bụ niihi nke a ka o jiri were Chude gosi na, n'agbanyeghị na ọ gara kọleji n'ebe tere aka, o meghị ka o chezọọ Ngọzi. N'otu aka ahụ, Ngọzi ekwoghi maka ihi ego nke ụwa lụọ ndị na-abịara ya di. N'ezie, Ubesie gbaliri ịkatọ ma wezuga ihe dị etu ahụ. Ọ bụ ya mere o jiri were Chude na Ngọzi dịka ndị ahapụghị onwe ha n'ebe ọbụla ha nọ.

> Mgbe ha abụọ nọ, o wee kọwaara Ngọzionye ọ bụ nke ọma.O bidoro kọwa ka ya si jee akwụkwọ n'obodo Bekee, ka ya si nwee ego, nwe nke a, nwe nke a. Ngozi ejirila obi ya mara iheọ na-akọrọ ya na …. Ọ gwara ya na ya nwere ego, ma otu ihe ego ya apụghị ịzụtara ya bụ ịhụnanya Ngọzi maka na Chude ejirila ebube ya zụrụ ya. Mgbe nwoke ahụ kwupụrụ ihe Ngọzi na-atụ anya, ihe Ngọzi sara ya bụ na ọ bịara okwu ogiri, a bịala ya okwu ụkpaka. Nwoke ibe m tichara ike ya lawa…. (ihu 37).

iv. **Ime ọgọ**

Ubesie gbakwara n'anwụ, ụdị ndụ ọzọ bụ ime ọgọ. Maazị Obi (nna Chude) bụnnọ onye nwere akụnụụba nke ukwu mana ọ bụ naanị n'ịzụ na n'inyere ndị ọzọ aka ka akụnụụba ya niile bara. O nweghị nke ọ hapụụrụ ezinụụlọ ya mgbe ọ nwụchara.Nke a mere ka ha nọrọ n'oke ntaramaahụhụ nke mekwara na Chude agụtọpụghị akwụkwọ ya n'ụdị ọ chọrọ. Ubesie si n'ụzọ dị etu a gosi na imefe ihe oke adịghị mma. Ọ dịghị nke Maazị Obi debeere ndị be ya. Naanị ihe o kpebiri bụ na onye nwere mmadụ, ka onye nwere ego. Nke a pụtara ihe n'ịhụakwụkwọ iri atọ na abụọ.

> ….Maazị Obi ji ego niile ọ rụtara n'ọrụ Bekee, zụọ ndị mmadụ, na-enyekwara ndị ọzọ aka n'ụzọ dị icheiche. Okwukwe ya bụ na onye nwere mmadụ ka onye nwere ego….

Odee n'ebe a anaghị asị na ime ọgọ adịghị mma, kama ọ na-egosi na ihe ọbụla na-adị mma n'oke, na mmadụ ekwesịghị imefe ihe oke. O zipụtakwara na ime ọgọ dị mma niihina ọ bụ otu onye n'ime ndị ahụ nna ya zụrụ, nyere Chude ego o jiri gụtọpụ kọleji, mana a si na Maazị Obi debeere ha ego ka akụnụụba ya ha, Chude kaara ibu onye gụchara akwụkwọ n'enweghị nsogbu ọbụla.

v. **Ịdị obi umeala, inwe afọ ojuju na ịdị uchu**

Odee zipụtakwara mkpa ịdị obi umeala dị, nakwa etu inyere onye nọ na mkpa aka siri dị mma. Ọ bụ niihi enyemaka Chude nyeere otu nwoke ọ maghị, kwapụtara ya ụgbọala ya mere o jiri bụrụ onye gụchara kọleji.

Ọzọ bụ na odee jikwa ohere a gosi Chude dịka ezigbo mmadụ na onye obi umeala. N'agbanyeghị na Chude kwụsịtụrụ ịgụ akwụkwọ niihi ụkọ ego, o meghị ka ọ ghara ịdị na-erube isi ma dịkwa uchu dịka nwa na-agba mbọ. Odee zipụtakwara ya dịka onye nwere afọ ojuju. Mgbe nwoke ahụ o nyeere aka kwapụta ụgbọala ya nyebere ya ego niihi enyemaaka o nyeere ya, ọ jụrụ ajụ. Ọzọkwa bụ na ọ gbalịsiri ike chọta ọrụ ọ ga-eji na-enyere nne ya aka n'obere ahịa ọ na-azụ.

> Mgbe a rụzichaara ya ụgbọala ahụ, o kelere Chude ekele nke ukwu, tinye aka n'akpa ya, wepụta akwụkwọ otu naira, nyewe Chude ma Chude jụrụ ajụ, si ya na ọ bụ aka ka ya nyeere ya, na ọ bụghị ọrụ ego ka ya rụụrụ ya. (ihu 33)

vi. **Imegbu ụmụnwaanyị**

Odee matara maka mmegbu ọtụtụ ụmụnwaanyị na-agabịga nke sitere n'omenaala ndị gboo. Nke a kpatara o jiri were agụmagụ a gosipụta na ụmụnwaanyị nwere ikike ime ọtụtụ ihe, dịka; ịgụ akwụkwọ na ịchọrọ onye ha chọrọ ịlụ. O jikwa ohere a dọọ ndị nne na nna aka na ntị ka ha ghara ijizi aka ha amanye ụmụ ha ndị nwaanyị ka ha lụọ di, kama ha nyere ha ohere ma na-ekpere ha ekpere ka ha lụọ ndị ha hụrụ n'anya. Ọnọdụ Ngọzi bụ ọmụmaatụ o jiri gosi nke a. Nke a pụtara ihe n'etu Maazị Ọnwụka siri chọọ ịmanye Ngọzi ka ọ lụọ onye abụghị obi ya, mgbe ndị di bidoro chuwe be ya kaa na-echu mmiri. N'agbanyeghị na nna ya mataara na obi Ngọzi niile dị na Chude, o meghị ka ọ ghara ịgbalị ime ka ọ lụọ onye abụghị obi ya. Nna Ngọzi nwara oke ya ka Ngọzi kweta otu onye n'ime ndịahụ na-abịara ya di, ma ebe anya nshịkọ gara ka ọ na-agbaga ọsọ. (Ihu 39).

Nwaanyị ọbụla chọrọ ịba n'ogo alụmdi ga-eṅomị agwa Ngọzi. Ego maọbụ akụnụụba ekwesighị ka ọ bụrụ ihe nwaanyị ga-eji hapụ onye ọ hụrụ n'anya, lụwazie onye ọ hụghị n'anya. Ngọzi n'agbanyeghị ihe niile ọ gabịgara, ahapụghị Chude niihi ego, kama o kwenyesiri ike na ọ bụ Chude ga-alụ ya.

vii. **Inwe okwu nke aka**

Odee zipụtara nne Ngọzi dịka onye nwere okwu aka ya. Ọ bụ nne maara obi nwa ya. Mgbe di ya kọọrọ ya gbasara ịmanye nwa ha nwaanyị ka ọ lụọ otu onye n'ime ndị ahụ ji ego chọrọ ịlụ ya, o chere na nwunye ya ga-akwado ihe o kwuru, kama nne Ngọzi

gwara ya echegbụla onwe ya niihina ya agaghị akwado ka nwa ha nwaanyị lụọ onye abụghị obi ya. O mere ka di ya mata na ọ dịghị onye manyere ya ka ọ lụọ ya n'oge nke ha. Ọ bụ n'ebe a ka odee gbadoro ukwu na-ekwu na ịmanye ụmụnwanyị ka ha lụọ di ma ya fọkwa ịlụ onye abụghị obi ha adịghị mma. Omume nne Ngọzi n'agụmagụ a bụ nke kwesiri nǹomi, makana ọ bụrụ na o sooro di ya mee otu ụdị ihe maọbụ bụrụ onye enweghị ọnụ okwu n'ezinụụlọ ya, Ngọzi kaara ịgba aka nne na nna na ndụ.

> Onye di na-abịara bụ Ngọzi. A gaghị akwaga ya ebe abụghị uche ya niihina ọ bụghị agbọghọ ịlụ di bụ isi okwu; ebe isiokwudị bụ ma ọ ga-ebikwa ebe e kere ya di. (Ihu 40)

viii. **Ọghọm dị n'ịlụ nwaanyị abụọ**

Aghọtaghị na agụghị akwụkwọ nwere ike ịghasa ezinụụlọ. Ọ bụ niihi aghọtaghị, ka Maazị Ọnwụka jiri lụọ nwaanyị ọzọ. Ịlụ ụmụnwaanyị abụọ maọbụ karịa n'ezinụụlọ, agaghị eweta udo n'ezinụụlọ. Ndụ Maazị Ọnwụka ka ọ lụsịrị Ọjịugo kuziri ọtụtụ ihe. O nweghị ezumiike ọbụla ka ọ lụbatara nwaanyị nke abụọ ahụ n'ezinụụlọ ya.

> Tupu Maazị Ọnwụka amara ihe na-eme, nne Ngọzi emeela yaihe awọ iyi mere awọ ụlọ. Ka a na-eme, nne Ngọzi na Ọjịugo ejikọọlaaka ọnụ na-emesi Maazị Ọnwụka ike. (Ihu 56)

ix. **Ihe ọjọọ a na-ahụgasị n'obodo**

Odee ji akwụkwọ agụmagụ agosipụta ụdị ihe ọjọọ dị icheiche na-eme n'ọtụtụ obodo mepere emepe ma na-eme ka ọhanaeze hie asaa n'anya ma ha bata n'obodo ọbụla mepere emepe ghara ichefu ebe ha nọ. Enugwu bụ ebe akụkọ a gbadoro ukwu, mana obodo ọbụla nwere ike ịbụkwazị Enugwu. Ọ bụ n'Enugwu a e jiri mere ebe akụkọ a maọbụ ntọala akụkọ a, ka a nọ tọrọ Ngọzi. A hụrụ nke a n'ịhụakwụkwọ iri isii.

> Enugu abụghị ebe a na-ebi ebi ugbua, makana a na-ekwu na oke tagbụrụ nwa mmadụ, ngwere ejiri okogho gawa ịpị eze. Onye si n'Enugu kwapụ, ebee ka ọ ga-akwaga ka ọ bụrụ na o nwere onwe ya? O nweghị, makana a naghị agbanahụ ala n'ọsọ. (Ihu 60)

Ọ bụ nke a kpatara agụmagụ edereede jiri bụrụ nǹomi ihe nke ụwa. N'ikpeazụ, odee ji agụmagụ a were na-akụziri ọhanaeze tụmadị ndị gụrụ ya ka ha dozie, megharịa ma gbanwe etu ha si ebi ndụ ha niihina otu mkpụrụokwu ezuorola onye maara ihe. Nke a mere e ji asịkwa na agụmagụ edereede na-enye aka na nkuzi gbasara ụmụ agwa ọjọọ dị icheiche site n'igosi ụwa etu ezigbo ndụ nke ụwa kwesiri ịdị.

## Akwụkwọ *Isi Akwụ Dara n'Ala*, dịka enyo e ji ahụta ndụ

Akwụkwọ a na-egosipụta ndụ dị icheiche ọkachasị ndụ ndị e bigasiri n'oge agha Naịjirịa na Bịafra. E nwekara akparamagwa ndị ọhanaeze ga-eǹomi ma nwekwa ndị a na-agbarụrụ ihu. Ọ bụ eziokwu na ọtụtụ ihe ndị mere n'akwụkwọ a bụ ihe ndị mere n'oge ochie mana a ga-esi na ya mụta otu ihe maọbụ nke ọzọ.

## Ụdị ndụ ndị nọ n'agha

Na mbụ, agha a bidoro n'afọ 1967. Odee ji agwa a kpọrọ Chike zipụta etu ndụ ndị nọ n'oge agha ahụ siri dị. Nke a ka o mere site n'igosi ndụ ezinụụlọ Chike oge a na-alụ

agha na ọtụtụ ihe megasịrị n'oge agha ahụ nke ndị mmadụ ga-esi na ha mụta otu ihe maọbụ abụọ.

### i. Ụkọ ihe dịicheiche n'oge agha

Odee ji agụmagụ a na-egosi na e nwere ụkọ ihe niile n'oge agha ahụ. Ọ dịghịzị ihe na-adị etu o si adịbụ na mbụ. E nwere ụkọ nri, ụkọ nnụ na ụkọ ego. Ọ bụ nkea kpatara Chike bụ ọgaranya oge ihe dị mma, jiri bụrụ onye ahụghị ego o ji eriju afọ ya ma ya fọdụ nke ya na ezinụụlọ ya ga-eri were dị ndụ. Ọ bụ niihi ụkọ ego a, ka Chike jiri ree redio ya na akwa o ji arahụ ụra ndị o goro mgbe ihe dị mma. Agha ahụ butere agụụ nke ukwuu dịka a hụrụ na ndụ Chike. Ọ bụ nke a mere na Chike anaghị enwe ohere akọ akụkọ niihịna ọ bụ onye rijuo afọ, o nwee ohere e ji akọ akụkọ. Nke a ka a hụrụ n'ihu akwụkwọ iri isi na abụọ:

> O nweghị ohere ya na mmadụ ịnọ na-akụ eze si na ọ bụ akụkọ ka ha na-akọ, makana ohere adapụtaghị maka ịkọ akụkọ, niihịna agha dị; agha a na-ebuso agụụ. (Ihu 52)

Ndụ Chike n'akwụkwọ a gosiri na agha ahụ mere ka ọgaranya bụrụ ogbenye ọnụ ntụ. A mabụ Chike n'Enugwu dịka ọgaranya nwere ukwu osisi na-amị ego, mana n'oge niile agha na-aga n'ihu, ọ hụghị ego o ji eriju afọ ma ya fọkwa ime ihe ndị ọzọ. Site n'ihe dị etu a, odee na-eme ka a mata na ọ dịghị ihe na-adịgide n'ụwa. Onye ejila ihe o nwere n'ụwa me ọnụ niihina ụwa na-eme ntụgharị. O mekwara ka ụmụ ụwa mata na onye bu ọgaranya ugbua nwere ike echi, ọ bụrụ ogbenye a ga-enyere aka. Ọ bụrụ na e nwere onye gwara Chike oge ihe na-agara ya nke ọma na ọ ga-arịọ nrị ọnụ n'ụwa ya, ọ gaghị ekweta. A huru etu Chike siri gaa n'ebe a na-enye ihe enyemaka, were siwe ọnwụ ịbanye ebe ahụ ka ọ nara ihe enyemaka nke ya n'agbanyeghi na ndị amị ekweghị ka mmadụ banye n'ebe ahụ.

> Otu ụbọchi gaa, ego Chike nwere n'ụlọ ana-epeleta mpe. Ndịọ na-akụrụ nri dị ka aja. Ndị gbatara ọsọ ndụ na be ya na-achọ ikubi n'ihe gbasara aguu. Mmadụ niile na-ada. …Ebe ọgaranya dị ka Chikena-ebe akwa agụụ, mara ihe ndị ogbenye ga na-eme. (Ihu 36)
>
> Ha wee zaa ụkọ Chukwu sị, Nwoke a na-awa anya… ụkọ Chukwu wee sị Chike bilie lawa, ma ike adịghị Chike ịla. … ụkọ Chukwu ahụ na-eke ihe enyemaka ejirila anya okenye ji ahụ ụzọ, mata na ọ bụrụna e nyeghị Chike ihe enyemaka, ihe niile a na-agwa ya maka ụla bụakụkọ efu. (Ihu 63-64)

Ndụ Chike n'ime akwụkwọ a bụ ihe kwesiri ka ụmụ mmadụ ǹomie dịka odee siri zipụta ya. Ọ bụ ndị niile o nyeere aka n'otu ụzọ maọbụ n'ụzọ ọzọ bụ ndị nyeere ya aka oge ihe ụkọ niile ahụ. Odee ji akwụkwọ agụmagụ a were na-akụziri ọhanaeze na onye nwee ego, ya nyere ndị nọ na mkpa na ndị ọ ka mma aka niihina ọ dịghị onye ma echi.

> Ọ dịghị anya, otu nwoke onye agha na-agbara Obi odiboanụ ka nwa agbọghọ ahụ na-agwa mmadụ okwu, si n'azụụlọ pụta, sị ka ya bịa mara onye ọ na-agwa okwu. Ka ọ pụtaralee Chike anya ka ọ kwu ọtọ.Ọ maara Chike nke ọma, marakwaihe Chike bụ n'anya ndị mmadụ. O wee si Chike nọrọ ala ka ya kpọ nna ya ukwu. (Ihu 38)

> ….Gịnị ka ị na-ekwu? Ebe ụlọ dị be m, na-achọ onye ga-ebina ha, ka gị bụ Chike na-achọ ebe ị ga-ebi? Bịa ka anyị je kwata ihe gi. Ọ dịghị mma ịnụ na gị bụ Chike bi n'ụlọ akwụkwọ. (Ihu 53)

**Ọtụtụ agwa ọjọọ a na-ahụ na ndụ ọtụtụ ụmụnwaanyị**

Ụfọdụ n'ime ha bụ:

a. Nwaanyị na-alụ di ịgbaso nwoke ọzọ niihi ụkọ ego. Ada gbasoro ndị amị maka na agha buteere di ya ụkọ ego, ma chezọọ na o tee aka o jiri dị njọ ọ dị mma. Kwa ụbọchi ụmụ nwoke ana-echu be ya ka ana-echu mmiri.(Ihu 18)

b. Nwaaanyị ịkparị di ya n'ụdị ọbụla: Nke a ka a huru ọtụtụ oge na ndụ Ada. Ọ malitere site n'aha ọ na-akpọ di ya. Etu o sikwa agwa di ya okwu oge ahụ abụghi ihe kwesiri ekwesi. Ihe dị etu a buteere di ya ịma ya ụra otu ụbọchi.

….Ada amaghị mgbe aka Chike ji see ka amụma mmiri, makpọọ ya anya ya abụọ n'ụra. (Ihu 81)

ch. Nwaanyị iburu ihe mere n'ụlọ ya tụmadị esemeokwu apụ ezi: Ada na-akọrọ ndị amị ihe niile di ya na-eme ya. A hụkwara nke a ụbọchi ọ gwara Chike na ya ga-eje kpọọrọ ya ndị amị ka ha bịa gwọọ ya ịba.

> Ada gbapụrụ ezi, sị Chike na ya ga-eje kpọọrọ ya ndị enyi ya nwoke ndị amị nọ n'amị. (Ihu 81-82)

Odee jikwa agha ahụ wee na-egosi ụdị ajọ ndụ ọtụtụ ụmụnwaanyị na-ebi. Ndị Igbo tụrụ ilu sị na "Ọ bụ onye ji ọkpụkpụ ka nkịta na-eso". N'oge agha ahụ, a hụrụ na ọ bụ ndị amị ji ihe ewu na-ata (ego na ọkpụkpụ ike aka). Ha na-erikwa ụgwọ ọnwa ha, nke bụ na ego ka na-adị ha n'akpa. Ọ bụ ụdị ilu a ka a hụrụ na ndụ Ada. Ọ maghị na ihe na-atọ ụtọ na-egbu egbu. Ada malitere mesowe di ya omume ọjọọ dị icheiche dịka ịkparị ya, inye ya nri etinyeghị anụ. O mechara hapụ Chike bu di ya na ụmụ ya, gaa birizie iche ebe ọ ga-enwezi ohere niile ọ chọrọ ka ya na ndị amị bụ ndị enyi ya na-enwe aṅụrị. Nke ka nke bụ na ọ chọghị di ya ndụ. Nke a ka ọ gbara mbọ ya site n'ịranye ndị amị ka ha bịa kpọrọ dị ya kpọga n'ihu agha. Ada mewara di ya obi oge niile ahụ. Ọ bụghị naanị na Ada gbahapụrụ di ya na ụmụ ya bụ isi ihe a na-ekwu, kama na ọ bụ na o nweghizi nsọpụrụ ọbụla n'ebe di ya nọ, nke mere na ọ dịghị akpọ di ya mmadụ. Ihe ọ na-akpọzi ya n'oge ahụ bụ "nwoke a". Nke a ka a hụrụ n'ihuakwụkwọ iri asatọ na asaa.

> Mgbe ihe dị mma, ihe Ada na-akpọ di ya bụ nna ya ukwu, maọbụ nna Chukwuma, ma ugbua, ihe ọ na-akpọ ya bụ nwoke a. (Ihu 87)

Odee ji ihe niile a mere Chike n'oge agha were na-agwa ọhanaeze, ọkachasị ụmụnwaanyị a na-alụ alụ na; "ọdịda nwoke abụghị isi njedebe ndụ ya".Mgbe a na-alụ ọgụ, Ada na-arụsa Chike ụdị arụrụ ala dị icheiche, chee na ọ bụ ike ka ọ na-akpa, ma ọ maghị na ọ bụ ili ka ọ na-egwuru onwe ya. Mgbe ọgụ biri ka chi foro na mberede, oge ahụ ka o jiri mara ihe o mere onwe ya. Chike mechakwara dịkwa n'ụdị ọ na-adịbu ka agha biri mana Ada bụzi onye nke ya ka njọ. Jebe ejebe adịghị ya mma, lawa alawa adịghịkwa ya mma. Ndị niile bụ ndị enyi ya oge a na-alụ agha achọghịzị iji anya ha abụọ ahụ ya ma ya fọduzie Chike ịnabata ya dịka nwunye ya ọzọ. A ga-esi n'agụmagụ a, mụta ndidi n'ọnọdụ ọbụla mmadụ huru onwe ya niihina ihe dị ọkụ ga-emechaa jụọ oyi.

**Mmechi**

Edereede a gbaliri igosipụtara ọhanaeze ihe dị icheiche a na-eme n'ụwa a nke ụfọdụ n'ime ha bụ ndị kwesiri nǹomi ebe ndị ọzọ bụ ndị a na-agbarụrụ ihu na ha adịghị mma omume. E mere nkea site n'izipụta uru maọbụ ọghọm dị na nke ọbụla dịka o siri pụta ihe n'ime akwụkwọ agụmagụ ndị a họọrọ. Ọ bụ agwa na akparamaagwa dị icheiche ka odee jiri gosi ha nke ga-abụ ihe nkuzi dịịrị ụmụ mmadụ n'ihe gbasara ndụ ha na-ebi.Ihe ndị e ji akparamaagwa dịgasị n'ime akwụkwọ ndị a họọrọ bụ ọmụmaatụ ihe na-emegasi n'ụwa a anyị nọ n'ime ya.Ubesie gbaliri igosiputa ha n'ụzọ dị icheiche ma zipụta ọghọm dị n'akparamaagwa ọjọọ na uru dị n'ezi akparamaagwa. Nke a gosiri na edereede a nwere ndị ebu n'obi wee dee ya ka ndị dị etu ahụ mara na ihe ọbụla mmadụ mere nwere ụgwọ ọrụna-eso ya.

**Edensibịa**


Ifeagwazi, P. & Okafọ, C. (2006). *Nka Edemede Igbo*. Onitsha: Mid-Field Publishers

Ifeka, O. (2009). *Mkpanaka Asụsụ Igbo Izugbe*. Owerri: Top Shelve Publishers

Iheakaram, P.O. (1994). *Introduction to Fiction*. Owerri: Heins Publishers

Ikedimma, E.E. (2008). *Ụmị Agụmagụ Ọdịnaala na nke E Dere Ede*. Onitsha: Uchac Productions

Mbah, Ikeokwu, Mba, Okeke, Nweze, Ugwuona, Akaeze, Onu, Eze, Prezi & Odii (2013). *Igbo Adị*. Enugu: University of Nigeria Press

Nsolibe, O. (2011). *Uju Ụtọ Asụsụ Igbo*. Onitsha: Perfect Image Publishers

*Revised Standard Version Bible*. (1967). China: Amity Printing

Ubesie, T.U. (1973). *Isi Akwụ Dara n'Ala*. Ibadan: University Press

Ubesie, T.U. (1996). *Ụkwa Ruo Oge Ya*. Ibadan: University Press